**ÉKWÉ JỌNAL NKE NDỊ IGBO SCHOLARS FORUM, NIGERIA.** **Volume 4 No 2, *September*, 2017**

# Mbịakọta Asụsụ Hausa na Igbo na Nsụ na mpaghara Abuja, Naịjịrịa

**nke**

**Crescentia Ugwuona**
**Ngalaba Lingwistiiks, Igbo na Asụsụ Naijiria Ndị Ọzọ**
**(07036832566)**
crescentia.ugwuona@unn.edu.ng

**Mahadum Naịjịrịa, Nsụka**

**(07036832566)**
crescentia.ugwuona@unn.edu.ng

**Ụmịedemede**
Dị ka ebe asụmigwe, isi ala Naịjịrịa, nakwa azumahịa mba na mba, ndị mbịa mbịa si mpaghara asụsụ dị iche iche bịakọtara ọnụ na Abuja, nke na-otela asụsụ Igbo na nke Hausa bịakọtra ọnụ n'ebe mepere emepe na nsụ na mpaghara (speech kọmuniiti) ahụ, mana a na-elehere ọnọdụ a anya. Nchọcha a gbadoro ụkwụ n'inyoche ihe dị iche iche mbịakọta asụsu Hausa na Igbo n'ebe mepere emepe na nsụ na mpaghara Abuja na-ebute n'asụsu Hausa nakwa nke Igbo. Amumamu a gbadoro ụkwụ n'usoro asụsụ n'obodo nweta data site n'usoro nọrọlere nakwa ajụjụ ọnụ adịchaghị n'usoro agbara ndị Hausa na ndị Igbo bi n'ebe mepere emepe na Abuja. A chọpụtara na-ihe kpatara mbịkọta asụsịụ Igbo na Hausa n'Abuja bụ mmepe obodo, azụmahịa, isi ala, ọrụ bekee na ọrụaka, na njeje (traavl) iji chọta ọnọdụ ka mma. Ọzọkwa, Asụsụ Hausa na-emetuta asụsụ Igbo nke ukwu ebe asụsu Igbo na-emetutakwa nke Hausa n'okwu olenole. Nchọcha a ga-enye aka n'ikuzi nakwa ọmụmụ

asụsụ Igbo na Hausa n'ụlọ akwụkwọgaị dị iche iche na Naịjirịa, nakwa n'ikwalite udo, na ịfụnanya n'etiti Igbo na Hausa na N'aịjirịa. Ọchọcha na-atụ arọ na ndị Igbo ga-ebido nwebe mmasị n'asụsuụ ha n'ebe ọ bụla ha nọ n'akụkụ mba ụwa dị iche iche, ka asụsụ ha na-etowanye.

**Abstract**

As highly multilingual and diverse region where people from different linguistic background converge for different reasons to interact, Igbo and Hausa have overtime witnessed language contact, but has not been given any attention. This work examines language contact between Hausa and Igbo in Abuja speech community. Every language of the world is spoken in contact with other languages. Language contact simply studies how two or more languages come together in a particular linguistics background and influence each other. The study investigates the factors that necessitated the contact of the language in question and the influence of the two languages on each other. This work adopts sociolinguistics approach and collects data through participant observation and unstructured oral interview, and analysed descriptively. The study revealed that migrations, capital city, business, employments, and travels to a large extent induced the Igbo-Hausa contact in Abuja. It was also discovered that Hausa has more influence over Igbo in the area than vise vasa. The study will help in the teaching and learning of Igbo and Hausa language in different schools in Nigeria, and also encourages peace and love between the Igbos and Hausas in Nigeria. The researcher recommends that as travelers, indigenous Igbo speakers should show positive attitude towards their language wherever they are in the world.

**Ntọala**

Dị ka ebe asụmigwe, isi ala Naịjirịa, nakwa ebe azumahịa mba na mba, ndị mbịa mbịa si mpaghara asụsụ dị iche iche na-

bịakọtara ọnụ na Abuja, nke na-otela asụsụ Igbo na nke Hausa bịakọtra ọnụ n'ebe mepere emepe na nsụ na mpaghara (speech kọmuniiti) ahụ mana a na-elehere ọnọdụ a anya. Nchọcha nyochakwara asụmasụ dị iche iche sitere na mbịakọta nakwa mmekọrịta asụsụ abụọ a. Mmetuta asụsụ na-amụ etu asụsụ abụọ ma ọ bụ karịa si abịakọta ọnụ n'otu obodo ma na-enwe mmgbanwe. Ya mere na ọ dị ezigbo mkpa itule asụmasụ na mmetuta na-esi na mbịakọta asụsụ abụọ ma ọ bụ karịa apụta n'ọnọdụ dị etu a. Asụsụ ọ bụla dị n'ụwa na-enwe asụsụ ya na ya na-emetuta n'ebe ọ bụla a na-asụ ya.Ọ bụ ihe doro ewu na ọkụkọ anya na ọtụtu mgbe, ndị mmadị ọcha ndị Igbo na-eme njem site n'otu obodo rue na ọzọ. Ma mgbe ha na-ene njem a, asụsụ ha na nke ndị ọzọ na-enwe mmekorita. N'otu aka ahụ, o siri ike inwete asụsụ e nwere n'ụwa a na-asụ sọọsọ ya n'otu ebe na enweghị mmetụta ya na asụsụ ọzọ site na mmekọrịta ndị nwe asụsụ abụọ ndị a ma ọ bụ karịa. Ọtụtụ ihe dị iche iche na-eme ka ndị mmadụ si n'agbụrụ asụsụ dị iche iche bịakọta ọnụ na-enwe mmekọrịta. Ihe na-ebukote ndị mmadu ọnụ n'obodo nakwa asụmasụ dị iche iche na-esite na mbiakọta a ka a na-enyọcha ma na-akọwa n'usoro nchọcha a. Mmetuta asụsụ bụ ọnọdụ mmekọrịta asụsụ n'obodo ebe mmadụ abụo ma ọ bụ karịa ndị na-asụ asụsụ dị iche iche bịakọtara ọnụ n'otu ebe maka otu ihe ma ọ bụ nke ọzọ iji nwe mmekọrịta nke ga-ebukota asụsụ ha dị iche iche ọnụ. Mgbe asụsụ ndị a metutara, a ga-enweriri ebe otu asụsụ ga-enwe nnabata ma ọ bụ mbuli elu karịa ndị ọzọ nke na onye ọ bụla ga-agbalị ịdị na-asụ otu asụsụ a karịa ịsụ ndị ọzọ. Mgbe ọ dị otu a, a ga-enwe okwu mbite (lingwistiik boroyiin) mmafenye asụsụ (kood swichiin), nhọrọ asụsu (langwueji chọịsi), nhapụba asụsụ (langwueji shiift), mgbanwe asụsụ (langueji cheenji), dgz n'etiti asụsu abụọ ma ọ bụ karịa. Emela nchọcha mmetuta asụsụ (Ugwuona, 2013, 2014) gosiri na otu asụsụ na enwe oke nnabata ndị mmadụ nakwa ọkwa dị elu ebe ndị ọzọ nọ mgbe asụsụ bịakọtara ọnụ site n'ọnọdụ mmadụ ịkarị mmadụ na ihe ha niile, agha, meri, mbịarachịwa, ohu, mmepe obodo dgz, mana nchọcha ya

agbadoghị ụkwu n'Igbo na Hausa n'Abuja spiich kọmunitii. Ya kpara nchọcha a ji gbado ụkwụ na mbịkọta asụsụ Igbo na Hausa na Abuja spiichi kọmunitii. Amumamụ mmetuta asụsụ abụghị ihe taa, ọ bidoro na mbido 1950 dị ka ọ dị n'ọrụ Weinreich (1953) nke ọ nọrọ n'USA rụọ. N'afọ (1970) Labov wulitekwara ọnọdụ ọrụ a. Ọtụtụ ndị nchọcha e meela nchọcha na mbịakọta na mmetuta asụsụ n'etiti asụsụ dị iche iche. (Hụ, Weinreich, 1953;l Appel, L. & Muysken, 1987; Labov, 2001; Igboanusi & Isaac 2001, Ugwuona, 2013, 2015), ma kọwapụta mkpa ọ dị ịdị na-eme ụdị nchọcha a n'obodo dị iche iche n'ihi oke ihe nrite dị na ya. Nke a sokwa n'ihe nchọcha nke a ga-eji leba anya na mmetuta asụsụ dị n'etiti asụsụ Hausa na Igbo n'Abuja (speech kọmunitii) metropolis site n'usoro amumamu asụsụ n'obodo.

Asụsụ Igbo na Hausa bụ asụsụ abụọ n'ime asụsụ atọ gbara ọkpụrụkpụ n'ime ala Naịjirịa. Ndị Igbo bụ ndị bi na Steeti dị n'ọwụwa anyanwụ Naịjirịa nke gụnyere Abịa, Anambra, Ebonyi, Enugu na Imo. Ebe ọzọ a na-enwete ụmụ afọ Igbo bụ na Steeti ndị ọzọ gbara ha gburugburu dị ka Delta, Rivers, Cross River, na Akwa Ibom. N'oge ugbua, a na-enwete ndị nwafọ Igbo na mpaghara Steet niile dị na Naịjirịa ọkacha Abụja. A na-enwetekwa ndị nwafọ Igbo n'akụkụ mba ụwa dị iche iche n'oge ugbua. Ọnụọgụ ndị n'asụ Igbọ na Naịjirịa dị na agbata nde iri anọ na nde iri ise. Asụsụ Hausa n'aka nke ya so n'otu n'ime asụsu atọ gbara ọkpụrụkpụ n'ala Naịjirịa. Ndị Hausa bụ ndị bi na mgbago ugwu ebe a kpọrọ Ugwu Hausa. Steeti ebe a na-enwete ndị Hausa gunyere Kano, Sokoto, Maidugri, Gombe dgz. Ọtụtụ Steet dị na mgbago Ugwu Hausa na-asụ Hausa. Ọnụogụgụ ndị na-asụ Hausa kariri nde asaa na Naịjirịa (Ugwuona 2014), Abuja bụ otu steeti n'ime steeti dị n'ugwu Hausa ma bụrụkwa isi ala Naịjirịa. Abuja metropolis bụ ebe ụfọdụ okpuru ọchịchị ebe mepere emepe dị. Ha gụnyere ọkpụrụ ọchịchị Gwagwalada, Wuse, Apo, Maitama Duse, Kubam Gariki, Bari, na Areas 1&2. Ọ bụ n'okpuru ọchịchị ndị a ka ndị mbịa mbịa na-ebikari ma na-azukwa ahịa, arụ ọrụ,

nakwa eme ihe ndị ọzọ ha ji enweta ego. A ga-eleba anya n'atụtụ dị iche iche dị n'isiokwu a nakwa nchọcha ndị ọzọ e mereela na ya bụ isiokwu. A ga-atụcha njatule e nwetara iji ziputa ụzọ dị iche iche asụsụ Hausa ji amafennye ma na-emetuta asụsụ Igbo na Abuja speech kọmunitii nakwa ụfọdụ asụmasụ ha na-ebute.

**Ntuleghari̩ Agụmagụ**

Ebe a anyị ga-elebe anya na nchọcha emegoro n'isiokwu site na itule atụtụ dị iche na nchọcha ndị ọzọ n' isiokwu akpụ n'ọnụ. E nwere atụtụ dị iche iche e jị amụ mmetuta asụsụ nke e jigoro mee nchọcha eri oge. Ha bụ atụtụ nnabata, ntuziaka, mbịakọ, ezi usoro.

**Atụtụ Nnabata (accommodation theory)**

Atụtụ nnabata n'amụmamụ asụsụ na-ebido mgbe onye na-ekwu okwu bịara meziwa otu o si asụ asụsụ ya iji mee ka ọ dabanye n'usoro asụsụ onye ya na ya na-akpa nkata. Ihe a bụ ihe mmadụ na-eme na amaghị ama. Mgbe ndị a na-ekwu okwu a, ha na-agbaso usoro asụsụ ha niile site na ndebe olu, ụdaasụsụ, mkpụrụokwu, usoro okwu (Holmes, 2008; Yule, 2006). Holmes (2008) kwuru na mgbe ndị mmadụ na-akparịta ụka, okwu ha na-abịa yitetube onwe ha. Nke a mee a na-asị na okwu ha na-anabata onwe ha. N'ọnọdụ mbịakọta asụsụ, ụfọdụ mmadụ na-esi n'asụsu ha na-eche na ọ ka mma ma ọ bụ na ọ ka dị elu, na-eweta asụsụ ndị ahụ na-etinye na nke ha. A na-ahụtakwa nnabata asụsụ n'azụm ahịa ebe onye na-ego ma ọ bụ onye na-ere na-asụba dị ka nke onye na-ere ma ọ bu ego, ka o wee dabara ya..

**Atụtụ Ntụziaka (directionality theory)**

Atụtụ a na-arụtụ aka n'asụsụ a na-esi na ya ebitekarị okwu nakwa etu o si aga mgbe asụsu abụọ ma ọ bụ karịa bịakọta ọnụ

ma na-enwe mmekọrịta. Ugwuọna (2013) kwuru na okwu mbite na-adị ire mgbe omenaala abụọ ma ọ bụ karịa bịakọtara ọnụ n'otu nsụ na mpaghara (spiichi kọmunitii), ha na-emekorite ma na-akpakọrịta n'etiti onwe ha, na-ebite okwu n'asụsu ha na-eche na ọ bụ ya ka nwe ugwu. Ya bụ na ntuziaka ebe e si ebite okwu na-abukarị site n'asụsụ nke a na-ele anya na ndị nwe ya ka nwee ikikere ọchịchị, ego, ugwu, nakwa ikiere na ndọrọdọrọ ọchichị obodo. Higa (1997) mekwara ka a mara na mbite okwu abụghị ihe a na-ebiricha n'otu ugboro, kama n'ọbụ etu e si ebite okwu. Ọ gara n'iru kọwa na okwu ole a na-ebite na-adị iche site na ebe rue na ebe, nakwa site n'asụsụ rue na asụsụ dị ka ọrụ ha n'omenala, mmepe, ọchi agha, ndị, mmepe, na ike ọchịchị siri dị. Yule (2006: 209) n' Ugwuọna (2013) kwuru na anyị na-ewebata ụdị echiche mbumugwu dị ka ụzọ e si akọwa etu ndị mmadụ si agbanwe okwu. Mgbe mgbanwe dị n'ụdị a, ibite okwu na-abụkari site na nke ndị ogo otu dị elu, ọkacha mgbe onye ọ bụla na-ahụta asụsu ahụ dị ka nke ka mma ma nabata ya na nsụ na mpaghara ahụ.

**Atụtụ Ezi Usoro (systematic theory)**

Gracia (2003) chọpụtara na mmetuta n'ụdị ọ bụla na-enwe ezi usoro, n'ihi ya mmetuta asụsụ na mbite okwu agaghị adị iche. Ọ bụ ọdịdị usoro mmebe okwu ndị na-abịakọrịta na etu ha si agakọrịta na onwe ha bụ ihe na-eziputa ụdị mmetuta. Gracia weputara iwu abụọ nke na-ekpebi ọdịdị ezi usoro na nkwekọrịta: iwu ezi usoro ndaba (principle of system compatibility) na iwu ezi usoro adabaghị (principle of system incompatibility).

**Atụtụ Mbiakọ (convergence theory)**

Mbịakọ bụ mgbe ndị mmadụ hapụrụ etu ha si asụ asụsụ ma were usoro asụsụ onye ha na-agwa okwu (Giles & Smith, 1979). E nwere ụdịdị ihe abụọ na-akpọlite mbịakọ: Mkpọlite ihe mmetụta obi na mkpọlite mmụọ akpamụbụbọ. Nke a bụ okwuu innabata usoro asụsụ okwuu iji wulite mmetuta mmụọ

ga-ejiko ya na ọnụụ, iji mee ka ọnụụ ghọta ya. Ọtụtụ nchọcha gosiri na mbịakọ na-enye aka iwete echiche ọnụụ nso ebe okwuu nọ ma mekwa ọnụụ isonye nke ọma n'ihe okwuu na-ekwu (Giles et al., 1987; Jenkins, 2000; Bourhis et al., 2012). Mbiakọ a na-apụtakarị n'ogo mkpụrụ uda.

**Ntulegharị Ihe Ederela N'Isiokwu**

Bynon (1990) n' Ugwuọna (2013) kwuru na ụdị mmetuta asụsụ ama ama bụ nke dị n'etiti omeputa ma ọ bụ ndị na-ebupu ihe e meputara na ndị na-azụrụ ihe ha mepụtara ndị nwere asụsụ dị iche iche. Ọ bụ ihe dị adị n'agụgụala asụsụ na aha ọtụtụ ihe e nwere n'ahịa mba ụwa dị ka tea, coffee, sugar ma ọ bụ tobacco na-abanye n'asụsụ ndị niile na-eri ha. Mmetuta a bụghị sọọsọ na mkpụrụokwu kama ọ na-emetutakwu ọdidị mkpụrụ ụda asụsụ na iwu ụtọasụsụ.

Na Abuja metropolis aha ihe ndị a na-eregasị ma ihe oriri na ihe ndị bụ aha ha na Hausa ka ndị Igbo na-akpọ ha. Ọ bukwa aha ndị Igbo nyere ihe oriri ha ụfọdụ dị ka ọgbọnọ,onugbu nchuanwụ, egusi ụzụza, ụgụ wdgz ka ndị Hausa na ndị ọzọ na-asụ asụsụ ọzọ dị iche iche na Abuja na-akpọ ha.
Agbedo (2007) kwuru na mmetuta asụsụ na-apụta mgbe ndị mmadụ nwere asụsụ dị iche iche biakọtara n'otu ebe maka ebumnuche ọ bụla iji nwe mmekọrita. Ugwuona (2014) kwuru na mmetuta asụsụ bụ mgbe asụsụ abụọ ma ọ bụ karịa bịakọritara ọnụ n'okwu ndị mmadụ na-enweghi otu asụsụ, nke na-eme ka otu asụsụ ma ọ bụ nke ọzọ na-emegide ndị ọzọ. Amụmamụ mmetụta asụsụ ka akpọrọ mmetụta amụmamụ sayensi asụsụ. Ụzọ asụsụ si emegide asụsụ ibe ya bụ site n'otu asụsụ igbanwo mkpụrụ okwu ya nke pụtara ibite asụsụ. Ugwuona, kọwakwara na e nwegasịrị ụzọ ndị ọzọ asụsụ si emetuta ibe ya nke na-ezipụta onwe ha n'ụdị mmafenye asụsụ, nhapụ asụsụ, mgwakọ okwu, mgbanwe olundị na omenala, asụsụ ogbi, pijin na mbiakọ ọwa. Nke pụtara na mgbanwe na ngaghari mmadụ na-enwe, na-emetuta asụsụ dị ka ngwa ọrụ

mmadụ na ibe ya ji emekorita mgbe ọ bụla ha bịakọrịtara. Nelde (2000) kwuru na mgbanwe na mbawanye n'usoro ọha mgbe e nwere mbịakọrịta n'etiti ndị nwere asụsụ dị iche iche na-ebute mmetuta asụsụ dị ka etu o si dị na Belgium, France na Canada. O nyere ịmaatụ mmetuta ebe otu asụsụ nwere ọnọdụ dị elu n'etiti ndị ọzọ etu ọ dị na French na Belgium, Bekee na Canada. Asụsụ a na-achịkwa n'ọchịchị, ndọrọdọrọ ọchịchị, ndị na mmepe ma bụrụ agwara pụrụ iche nye onye ọ bula mara ihe ekwe na-akụ na ya bụ asụsụ mgbe ọ bụla ọ gara ebe a na-achọ ọrụ.

**Ogo mbịakọta asụsụ n'asụsụ ndị asụm abụọ**

| | **Yidish- English (mbite okwu)** | **Yidish – English (asụsụ obere na-emetuta)** |
|---|---|---|
| Okwu | nukwu mbite | mbite okenabọ |
| ụda | o sighi ike | o siri ike |
| ahịrị | okenabọ | o siri ike |

Nsibia: Thomson and Kaufman 1988:40, tebuul 2

Windford (2008) kwuru na e nwere ike ikewe ma nwe ezi nghọta mmetuta asụsụ site na-itule ọnọdụ a nọ nwe mmetuta. Windford jiri nkeji dị ka nlekwata asụsụ, nketa asụsụ ọhụ, na nhapu asụsụ gosi ọnọdụ na ogo mmetuta dị iche iche a na-enwe.

**Nchọcha N'isiokwu**

Ọtụtụ ndị nchọcha emeela nchọcha banyere mmetụta asụsụ n'ụzọ dị iche iche nke anyị ga-eleba anya. Nwaozuzu, Agbedo na Ugwuona (2014) na nchọcha ha mmetuta asụsụ n'amụmamụ asụsụ n'obodo n'asụsụ Obollo dị n'Enugu State, Nigeria kwuru na e nwere ọtụtụ ihe na-ebute mmetuta asụsụ n'Obollo. Obollo nwere ụzọ ebe ọtụtụ ndị njem na-ezukorịte ọkachasị mgbe ha chọrọ izu ike. Nke a mere o jiri bụrụ ebe ahịa na-aga ọfụma. Ọtụtụ ndị mmadụ sị obodo dị iche iche ndị ha na Obollo bụ agbata obi bịakwara biri n'Obollo maka azụmahịa. Nchọcha a mere ka a mara n'asụsụ ndị si ebe dị iche iche dị ka ndị Idoma, Awka, Owerri, Hausa, Yoruba mmetutara asụsụ Obollo. Nke a wetara okwu mbite, ngwakọ okwu na oke mkpọbata. A chọpụtara ihe ndị na-eweta mgbanwe asụsụ n'asụsụ obollo nke gụnyere mgbam afọ, mmekọrịta, nnwe ugwu na ndị ọzọ.

Nchọcha Okorji na Ọmachọnụ (2007) gosiri mmetuta asụsụ asụsụ n'etiti Igala na agburu ọzọ dị na Najiria dị ka Edo, Yoruba, Igbo, Bassi, Kaduna, Ebira, Gwari, Idoma, Tiv and Junkun. Nke a bụ n'ihi na ọ nọ n'etiti ha niile. Site n'azumahịa ndị asụsụ Igbo metutara nke Ibaji na obodo dị ka Asaba, Ogurugu, Iga, Ọjọ, Otu, Anịoma, ndị dị n'Enugu na Anambra Steetị ha na ha nwere agbata obi. E depụtara okwu ndị a Ibaji bitere n'Igbo:

| **1.** | **Igbo** | **Ibaji** | **Gloss** |
|---|---|---|---|
| i. | nkịta | ukita | dogs |
| ii. | dimkpa | idimkpa | strong man |
| iii. | nkàtà | ùkàta | basket |
| iv. | mkpà | ukpà | want |
| v. | òkpu | òkpu | cap |

Nchọcha Ibrahim (2014) kọwara na Naijịrịa bitere aha agwa (colour) dị iche iche site n'asụsụ bekee. Mbite a kpọbatara usoro ụda asụsụ ndị a dị ka blue nke a na-ede n'ụzọ dị iche iche n'asụsụ Naijiria. Agwa ndị ọzọ ebitere bụ yellow, silver, na

gold. Ọzọ, a na-enwe mmafenye site na asụsụ Naijiria ga n'asụsụ bekee mgbe ọ bụla e nwetaghị aha agba n'okwu. Na nchọcha ndị a nille, o nweghi nke gbadoro ụkwu n'asụsu Igbo na Hausa. Ya mere nchọcha a ji hiwe isi na mbịakọta asụsu Igbo na Hausa n'isi ala Naijirịa, bụ Abuja ebe ndị Igbo juru eju bara abara.

**Atụtụ Ọnọdụ Nhụta Ọrụ a**

Nchọcha a gbasoro atụtụ nnabata. Atụtụ nnabata dị ka Giles (1973) siri kwu bụ ọnọdụ mmadụ igbanwo olu ya iji mee ka ọ na-ada ka nke onye ma ọ bụ ndị ọ na-agwa okwu. Giles na Smith (1929) jikọtara mbughari ngwọolu a kpọ ya Atụtụ nnabata Okwu *Speech Accommodation Theory* (SAT) na bekee. Ọ chọpụtara na okwuu anaghị ahapụ ngwọolu ha sọọsọ, ha na-ahapu agwara okwu ndị ọzọ dị ka nchetu, ogo okwu na mkpọpụta okwu. Putman & Street (1984) kwuru na ndị ogba ajụjụ na-ebeleta etu ha si ekwu okwu iji mee ka okwu ha na-ada ka nke ndị ha na-ajụ ajụjụ. Giles na Coupland (1991) wulitere atụtụ nnabata okwu ọ bụrụ atụtụ nnabata nziritozi *communication accommodation theory*, (CAT). Atụtụ nnabata nziritozi gụnyere agwara asụsụ na nke asụsụ ogbi.

**Nchịkọta Agụmagụ**

E meela ọtụtụ nchọcha banyere mmetuta asụsụ n'amụmamụ asụsụ na obodo n'etiti asụsụ dị iche iche. E nwere atụtụ dị iche iche n'isiokwu a dị ka atụtụ nnabata, atụtụ ezi usoro, atụtụ mbiakọta, na atụtụ ntuziaka. N'agụmagụ anyị tulegharịrị, a chọpụtara na o nyere nsogbu inweta asụsụ a na-asụ sọọsọ ya n'otu obodo na-enweghi otu asụsụ ma ọ bụ karịa ha na ya na-enwe mmetuta site na mbikọta ọnụ ndị obodo ahụ na ndị ọzọ bi ebe ahụ nwere asụsụ dị iche iche. Nchọcha anyị gbadoro ụkwụ n'atụtụ nnabata.

**Usoro Nchọcha**

Na nchọcha a, ọchọcha gbasoro usoro ntụcha (descriptive method) maka na e ji ya achọpụta ihe gbasara mbịakọta asụsụ na ihe ọ na-ebute. Ọ na-adị mfe iji ya akọwa ihe e nwetere site na nọrọlere (participant observation) nakwa njụmaza ọnụ a - ahazuchaghị (unstructured oral interview). Usoro ntụcha a na-emekwa ka ihe a chọpụtara doo anya nke ọma.

**Oke Nchọcha**

Oke nchọcha a bụ iji atụtụ sosiolingwistiks wee nyoche mbịakọta asụsụ Igbo na Hausa n'Abuja spiichi kọmunitii ke Naịjirịa

**Ndị e Jiri Mee Nchọcha**

Ọ bụ ndị bi na mpaghara ebe mepere emepe n'Abuja (metropoliis) spiich kọmunitii nke gunyere Gwagwalada, Wuse, Maitama, Apo, Duse, Kuba, Gariki, Bari, na Area 1&2. Ọchọcha gara n'ebe ndị a ma letacha ma nụtacha ka asụsụ Igbo na Hausa si emetutacha onwe ha site na mbịakọta obodo abụa a. Oge ụfọdụ, ọ na-edetukwa ihe ọ nụtara na akwụkwọ ma teepukwa nke ọzọ. Odee na ndị Hausa ebiela ọtụtụ mgbe nke na ọ na-anụ ma na-asukwa Hausa. Nke a nwere ya aka na nchọcha a.

**Usoro Nnweta Ndị e Jiri Mee Nchọcha**

Ndị e jiri mee nchọcha bụ madụ iri ise ndị Hausa na ndị Igbo na-azị ahịa na ndị na-arụ ọrụ dịgasị iche iche n'obodo ndị a mepere emepe anyị kpọputagoro n'elu.

**Ngwa Nchọcha**

Na nchọcha a, ọchọcha jikarịrị usoro nọrọlere wee nwete ngwa nchọcha ya. Ọchọcha mere nke a site n'idepụta ihe ọ nụtara n'akwụkwọ, nke o mechere tụgharịa ma dezie ha nke ọma. Ọchọcha gagharịrị n'obodo iri ahụ ọ deputara n'akọtacha mgwa nchọcha ya. Ihe sotebere nke a bụ na ọchọcha haziri data

nchọcha ya site n'ịkọwa ma tụcha ọkwu ndị ọ nakọtachara, ma dezie ya etu o kwesiri.

**Nziputa na Ntụcha Njatule**

Nkeji a lebara anya n'ịtụcha ọnọdụ mmetuta asụsụ Hausa na Igbo na Abuja spiichi kọmunitii n'ụzọ abụọ. Nke mbụ ihe ndị na-ebute mmetuta asụsụ n'ọnọdụ dị iche iche. Nke abụọ, ihe mmetuta asụsụ na-eweta n'usoro okwu asụsụ Hausa na nke Igbo.

**Ihe Ndị na-Ebute Mmetuta Asụsụ na Abuja Metropolis**

Anyị chọpụtara site na ndị anyị gbara ajụjụ ọnụ adịchaghị n'usoro, na ọtụtụ ihe na-ebute mbịakọta nakwa mmetuta asụsụ na Abuja. Ha gunyere ndị a:

i. Njenje: Mgbe mmadụ na-asụ otu asụsụ hapụrụ obodo ha ga n'obodo ọzọ nwere asụsụ dị iche na nke ha, a ga-enwe mmetuta asụsụ ha na asụsụ ebe ha gara. Ndị Igbo bidoro gawa Ugwu Awusa na ebe ihe dị ka 1950 n'ihi azumahịa. Ụfọdụ na-azuru nrị na-ebulata ebe ụfọdụ bi ebi. N'ihi mmekorita ha na ndị a, a na e nwe mmetuta n'etiti asụsụ Igbo na Hausa nke na-ezipụta onwe ya n'ọnọdụ asụsụ na obodo dị iche iche.
ii. Azụmahịa na ọrụ aka: Azụmahịa na ọrụ aka bụ aka ọrụ ma ọ bụ ihe mmadụ ji enweta ihe o ji ebi ndụ e nweghi ike ime ọfụma ma ewepu asụsụ. Iji hụ na ihe ndịa gara ọfụma a na-enwe nnabata asụsụ onye na-azụrụ ahịa na onye a na-arụrụ ọrụ. Nnabata asụsụ na-eweta mgbanwe asụsụ anabatara na ebe asụsụ onye nabatara ya.
iii. Isi ala: Abuja bụ isi ala Naijirị, n'ihi ya, ndị mmadu na-enuje ebe ahụ maka ọrụ bekee nakwa ọrụ ndị ọzọgasị.
iv. Abuja nọ n'etiti ala Naijirịa, nke na ọ dịrị ọtụtụ ndị mmadụ mfe ịga ebe ahu biri.

**Ngosipụta Mbite ole na ole (representative examples) N'Abuja Spiichi Kọmụnitii ke Metropolis**

Na nkeji a, anyị ga-egosipụta mbite okwu ma ọ bụ ahịrị ole na ole (representation examples) dị ka anyị siri nakọta n'Abuja spiichi kọmunitii ke metropolis. Dị ka usoro n'add nchọcha a, anyị gosiri nanị okwu mbite ole na ole nọchitere anya ọtụtụ okwu mbite nakwa mmafenye anyị chọpụtara. Nke a bụ ka nchọcha a ghara ịgefe oke karịa etu o kwesiri.

| Hausa | Igbotupu mmetuta | Igbo mgbe e nwere mmetuta | Gloss |
|---|---|---|---|
| i. Kudi | Ego | Kudi | Money |
| ii. Nagode | Imeela | Nagode | Thank you |
| iii. Zo | Bịa | Zo | Come |
| iv. Tofi | Pụọ | Tofi | go out |
| v. Kawo | Wete | Kawo | wete |
| vi. Doya | Ji | Doya | Yam |
| vii. Alibasa | Yabasi | Alibasa | Onions |
| viii. Tuwo | Nri oka | Tuwo | Corn food |
| ix. Shinkafa | Osikapa | Shinkafa | rice |
| x. Jara | | | |
| xi. Remu | | | |

| | | | |
|---|---|---|---|
| xii. Suya | Mmezi | Jara | additional |
| xiii. Dawa | Oroma | Remu | orange |
| xiv. Masara | Anụ mmịkpọ | Suya | roasted meat |
| xv. Takada | Ikakporo | Dawa | millet |
| xvi. Gaskiya | Ọka | Masara | maise |
| xvii. Lafịa | Akwụkwọ | Takada | book |
| xviii. Yaya | Eziokwu | Gaskiya | truth |
| xix. Baba | Ọma | Lafịa | well/fine |
| xx. Aduwa | Ada nwanyị | Yaya | elder sister |
| xxi. Achana | Nna | Bab | father |
| xxii. Rankadede | Ekpere | Aduwa | prayer |
| xxiii. Agogo | Mkpaọkụ | Achana | matches |
| xxiv. Asibiti | Onye ukwu | Rankadede | honourable |
| xxv. Akwụya | Mgbaka wọchị | Agogo | wrist watch |
| xxvi. Danchiki | | Asibityai | hospital |
| xxvii. nunu | | Akwụ | goat |
| | | Danchiki | |
| | | Nụnụ | |

| | |
|---|---|
| Ụlọ ọgwụ | short-nicker |
| Ewu | Fresh catle milk |
| Drọọs | |
| Mmiri ara efi | |

Ọmụmaatụ dị n'elu na-egosi okwu mbite ole na ole (representative examples) ndị Igbo bitere n'asụsụ Hausa n'ebe dị iche iche n'ebe mepere emepe n'Abuja. Ndị Igbo na-ebite okwu dị iche iche dị ka aha, ngwaa, na nkọwaa aha. Mana dị ka anyị si hụta na tebuul dị n'elu, aha ka ha ka ebite karịa okwu ndị ọzọ. Imaatụ, okwu ngwaa dị sọsọ anọ (ii, iii, iv, v), okwu nkọwa aha dị abụọ (xvii, xxii), okwu ndị ọzọ niile bụzị aha. O gosiri na abịa na okwụ mbite, ọ bụ aha ka a na- ebitekarị. Ọzọkwa, ndị Igbo na-ebite okwu Hausa aghara aghara n'Abụja iji hụ na ha na-ndị Hausa na-akpakọrịta nke ọma. Ọzọkwa, asụsụ ndị Hausa anaghị ahịa ahụ na mmụta. ọtụtụ mgbe, ha bite okwu, ndebe ọlụ ha na-adịkarị ka nke ndị Hausa. Oge ụfọdụ, ndị Igbo na-eji akseent Igbo akpọpụta okwu ụfọdu ha bitere. Imaatu, n'okwu *nunu* (ix), ha na-akpọ ya *nụnụ*. maka na e nwere nkpụrụụda *ụ* n'asụsụ Igbo.

**Mbite N'ogo Ahịrịokwu N'ụlọ ebe obibigasị**

| | Hausa | Igbo tupu mmetuta | Igbo mgbe e nwere mmetuta | Gloss |
|---|---|---|---|---|
| i. | Ya-ya | Kedu | Ya ya | How are you |

| | | | |
|---|---|---|---|
| ii. Mai – ruwa | Onye mmiri | Mai ruwa | Water seller |
| iii. Kunu aya | Akamu akị awusa | Kunu aya | A type of pap |
| iv. Waye | Ọ bu onye | Waye | Who are you |
| v. Babu | Amaghị m | Babu | I don't know/ |
| vi. Tuwo masara | ụtara ọka | Tuwo masara | Maize fou fou |
| vii. tuwo shinkapa | ụtara rice | Tuwo shinkapa | Rice fou fou |
| viii. tuwo dawa | ụtara ikakporo | Tuwo dawa | Millet fou fou |

Ọmụmaatụ dị n'elu na-egosi mbite ahịrịokwu n'asụsụ Hausa n'ebe obibi dịgasi iche iche na Abuja speechi kọmunitii. Ha na-eji akseent Hausa akpọpụtakwa ọtụtụ ọkwu ha bitere dị ka ọ dị n'ọmụmaatụ dị n'elu. Ọzọkwa, mbite a na-gosiri na ndị Igbo anaghị ebite okwu sọọsọ maka azụmahịa. Ha na-asụkwa ma na-etinyekwa okwu ha bitere n'ọrụ n'ụlọ ebe ha bigasi, ọ kacha mgbe ha na ndị Hausa na-akpakọrịta. Oge ụfodụkwa, ha na-asụ Igbo ma ọ bụrụ na ha na ndị Igbo ibe ha na-akpakọrịta. O gosikwara na ndị Igbo na-ahapụ asụsụ ha oge ọ bụla nakwa etụ masịrị ha.

**Okwu Mbite (ahịrịokwu) N'ụlọ Ọrụ**

| | Hausa | Igbo tupu mmetuta | Igbo mgbe e nwere mmetuta | Gloss |
|---|---|---|---|---|
| i. | Mallam/ Mallama | Onye nkuzi/ọga | Mallam/ Mallama | Teacher/boss |
| ii. | Sanu da ayki | Dalụ ọrụ | Sanu da ayki | Well done |
| iii. | Ya ya ayki | Kedu maka ọrụ | Yaya ayki | How is work |
| iv. | Akwa yi ayki? | E nwere m ọrụ/ I nwere ọrụ? | A kwayiayki | I have work or do you have work? |
| v. | Ba karfi | Ike adịghị m | Ba karfi | I am tired |
| vi. | Aboki | Enyi | Aboki | Friend |
| vii. | Yaro | Okorobia | Yaro | Young man |

A chọpụtara site n'ọmụmaatụ dị n'elu na ndị Igbo na-ebitekwa ma ahịrịokwu site n'asụsụ Hausa n'ụlọ ọrụ ebe ha na-arụgasị ọrụ iji hụụ na ha na-aghọta onwe ha. Ha na-ejikwa akseent Hausa akpọpụtakwa ọtụtụ okwu ha bitere.

**Okwu Mmafenye (code-switching) n'etiti Igbo na Hausa na Abuja spiichi kọmunitii**

Ọtụtụ mgbe, ndị Igbo na-esi n'asụsụ Igbo mafenye n'asụsụ Hausa ma ha na-akpa nkata. Ihe ọmụmatu dị n'okpuru gosiri nke a nke ọma:

i. Ọga, I na-akụ *abincị?*
Ọga, I na-eri nri?
Master, are you eating food?

ii. *Mallam* nye m anụ *dubu daya*.
Onye na-ere anụ nye m anụ otu puku naira
Meat seller give meat of N1,000.00

iii. *Mai* ụdara, ole ole.
Onye ụdara, ole ole.
Udara seller, how much

iv. Mama *ya biyu*
Mama ejima
Mother of twins

v. *Haδa* egusi *da* ogbono *gaba daya*.
Tinyekọta egụsi na ogbono niile ọnụ.
Put all the egusi and ọgbọnọ together

vi. A yọla m ya ugboro ugboro *I naa*.
A yọla m ya ugboro ugboro o kweghi.
I have begged him/her several times and he refused.

vii. *Nyarinya/mai kaya*, *kawo* egusi.
Nwanyi, onye na-ere ihe weta egusi.
Madam/item seller bring melon

viii. *Kawo* ụgụ *da* onugbụ.
Weta ụgụ na onugbu
Bring pumpkin leaf and bitter leaf.

ix. Isi akara *biyu*
Isi akara abụọ.
Two bulbs of beans

N'ihe ọmụmatụ dị n'elu, e dere asụsụ Hausa nitaliiks mana etinyeghi nke Igbo n'italiiks. Ya bụ n'okwu niile dị n'italiiks bụ okwu Hausa, ebe nke adịghi bụ okwu Igbo. A chọpụtara na ndị Igbo na-amafe site n'okwu Igbo ga n'okwu Hausa mgbe

ọtụtụ mgbe, nakwa etu o si sọ ha.Ha na-emekwa nke mgbe sọọsọ ha na-akparịta nkata dị ka e gosirila n'elu.

**Okwu ndị Hausa bitere site n'asụsụ Igbo na Abuja spiichi kọmunitii.**

Oge ụfọdụ, ndị Hausa na-ebitekwa okwu Igbo mana ọ naghị abụ mgbe niile. Okwu ha na-ebite n'asụsu Igbo na-adị ole na ole dị ka anyị si gosi n'okpuru ebe a:

| | Igbo | Hausa tupu mmetuta | Hausa mgbe e nwere mmetuta | Gloss |
|---|---|---|---|---|
| i | Ọga | mallam | oga | master/boss |
| ii | Ego | kudi | ego | money |
| iii | Bịa | zoo | bịa | come |
| iv | Kedu | ya ya | kedu | how are you |
| | Nnọ | sanu | nno | welcome |

Ọmụmaatụ dị n'elu na-egosi na ndị Hausa na-ebite okwu n'asụsụ Igbo, mana ha anaghị ebite nnukwu. Ha anaghị akpọpụtakwa okwu ndị ha bitere ọfụma. Imaatụ, ihe ha na akpọ ọga bụ *oga, nnọ bụ nno.* Ha na-eme nke a ka o wee dabanye nke ọma ka ha si akpọpụta okwu n'asụsu ha.

**Mmafenye okwu Igbo n'Hausa**

Oge ụfọdụ, ndị Hausa na-esitekwa n'okwu Hausa mafenye n'okwu Igbo. Ahịriokwu dịgasị n'okpuru ebe a gosiri nke a:

6. i. *Nyarinya* weta ego.
   Woman bring money.

Nwanyi weta ego.

ii.Oga, *akwai sablu?*

Master, do you have soap?

Ọga, I nwere ncha?

v. *Mai* kaya, *kawo* ugu.

Item seller, bring pumpkin leaf.

Onye na-ere ihe, weta ụgụ.

vi. *Gashi*, i meele.

Take, thank you.

Were, i meela.

N'ọmụmaatụ dị n'elu, a chọpụtara na ndị Hausa anaghị amafenye ọtụtụ mkpụrụokwu n'ahịrịokwu ha. Ọtụtụ oge, ọ na-abụkarị otu mkpụrụokwu nke bụ aha ihe ha chọrọ izuru ma ọ bụ ihe ha na-ere ka ha na-amafenye. Ọzọkwa, n'ọmụmatụ ndị dị n'elu (i-vi) e dere okwu Hausa n'italiiks mana edeghi nke Igbo. Nke a bụ ka e wee mara nke bụ nke.

## Nchọpụta, Nchịkọta na Mmechi

Mbịakọt asụsụ na-eweta mmetute asụsu, mbite okwu, mmafenye asụsụ, nakwa ihe ndị ọzọgasị.

Dị ka anyị siri gosiputa n'ihe nchọcha a. Ọchọcha chọputara na mbịakọta asụsụ Igbo na Hausa n'Abuja na-emetuta asụsụ n'ogo ụda, mkpụrụokwu, mbite, nhapụ asụsụ dgz. Pinker (2010) chọpụtara na mmgbanwe otu asụsụ na-enwe n'asụsụ ọzọ nwere ike iweta mmebe asụsụ. Igbado ukwu n'ihe ndị a di n'elu, anyị chọpụtara n'asụsụ Hausa nwere oke mmetute n'ebe asụsụ Igbo nọ na Abuja spiich kọmunitii. Nke a bụ n'ihi mgbanwe ọtụtụ okwu Hausa megoro nye Igbo n'Abuja. Anyị chọpụtakwara na e nwere mbite okwu n'etiti asụsụ abụọ ndị a. Nchọcha a dabara n'atụmatụ Harris (2009), onye chọpụtara na mbite okwu na-adị n'ụdị mkpụrụ okwu, mkpụrụ ụdaasụsụs, mmebe okwu na usoro okwu na mmetuta asụsụ. Ọzọkwa, nchọcha a dabara n'atụtụ Giles na Smith (1979) nke kwuru sị na mbịakọ bụ mgbe ndị mmadụ hapụrụ etu ha si asụ asụsụ ma were usoro asụsụ onye

ha na-agwa okwu. Ọ dabakwara na nke ha kọwara na e nwere ụdịdị ihe abụọ na-akpọlite mbịakọ: Mkpọlite ihe mmetụta obi na mkpọlite mmụọ akpamụbụbọ. Nke a bụ okwuu innabata usoro asụsụ ọnụụ iji wulite mmetuta mmụọ ga-ejiko ya na ọnụụ, iji mee ka ọnụụ ghọta ya. Nke ọzọ bụ na mmetuta asụsụ na-eme ka mmadụ mụta asụsụ nke abụọ. Cobbs (2007) kwuru na mmetuta asụsụ na-eweta iji otu asụsụ nọchie asụsụ ọzọ. Nke a na-eme mgbe otu asụsụ nwere ugwu karịa nke ọzọ. Regan (2010) kwukwara na mgbe otu asụsụ nwere oke ugwu, na ọ na-ebute asụsụ ị nọ na nsogbu ma ọ bụ nnwupịa asụsụ. Ọchọcha chọpụtakwara na mbịakọta asụsụ na-ebute mmetuta na ọnwụ asụsụ. Nke a bụ nnukwu nsogbu asụsụ Igbo nọ na ya. Na Abuja spiichi kọmunitiik e nweghịzi ndị nọ n'afọ iri atọ gbadata kana asụ Igbo. Ya bụ na ọ bụrụ na ndị Igbo ekulighị n'ụra, oge na-adịghị anya, asụsu ha ga-anwụ; maka na nsogbu a abụghị sọọsọ na Abuja kama ọ dị na mpaghara ala anyị niile ebe ndị Igbo bigasị. Nchọcha a ga-enye aka n'ikuzi asụsụ Igbo nakwa Hausa, ya na ihe gbasara mbịakọta asụsụ n'ogo ụlọ akwụkwọ di iche iche na Naịjirịa.

**Nrụka**

Agbedo, C. U. (2007). *Problems of multilingual nations: The Nigerian perspective*. Enugu Fidgina Global Books.

Bynon, T. (1990). *Historical Lingustics.* Britain: Bath Press.

Giles, H. (1973). Accent mobility. A model and some data Anthropological linguistics, 15, 87-105.

Giles, H. and Smith, P. (1979). Accomodation Theory. Optimal Levels of Convergence: Language and Social Psychology, 45-65.

Giles, H.Taylor, D. M., & Bourhis, R. Y (1973). Towards a theory of interpersonal accommodation through speech some Canadian data language in society.

Gracia, M. (2003). Linguistics Borrowing in Bilingual Contexts. *Journal of Linguistics.* University of Texas. Sao Antonio.

Harris, K. N. (2009). *Apporaches to the study of vocabulary exchange in society*. London: Eldan Press.

Ibrahim, R. A. (2014). Expanding the domain of English influence: The issue of colour naming in some indigenous Nigerian language. *European Scientific Journal* 10 (14) 1857-7887.

Jekins, J. (2000). *The Phonology of English as an International Language.* Oxford. Oxford University Press.

Kaugman, S. O. (2009). *Effects of language contact*. New York: Cambridge University Press.

Mijaki, T. (no) Accomodation theory in inter language talk. Convergence across different levels of English. Unpublished Thesis. Retrieved from http://enwikipedia.org/eiki/accomodation-theory on May 2017.

Mufwere, R. O. (2010). *Language contact*. Ibadan: Jumoke Publishers.

Nwaozuzu, G. I., Agbedo, E. U. & Ugwuona, C. N. (2013). Sociolinguistic study of language contact in Obollo speech community. *Research on Humanities and Social Sciences* E. 3 (12).

Okorji, R. I. & Ọmachọnụ, G. S. (2007). The influence of Igbo on Ibaji dialect of Igala. Awka *Journal of Linguistics and Languages. AJILL*, 3, 43-31.

Pinker, Z. N. (2010). *The input hypothesis: Issues and implication of language contact in L1 and L2 speakers.* Boston: Little brown publishers.

Regan, C. W. (2010). *A General and unified theory of transmission process in language contact. Heidac berg.* Universitatsver (ag) C. Winter.

Schumann, A. N. (2010). *A pedagogical description of English language*. Wellington: New Zealand Press.

Thomason, S.A. (2010). Language contact, creolization and genetic linguistics. Berkely: University of California press.

Ugwuona, C. N. (2013). Sociolinguistic Study of Language Contact in Obollo Speech Community. Unpublished Ph.D Thesis University of Nigeria, Nsukka.

Ugwuona, C.N. (2014). Hyperadoptation as a Sociolinguistic Situation in Ubolo Speech Community of Igboland. In *Nsukka Journal of Humanities*, 100-107.

Weinreich (2010). *Language interferences in dialect.* London: Macmillan publisher.

Weinreich, P. R. (2011). *Social implication of language contact*. New York: Willy Publishers.

Wikipedia 2017. Retrieved from http://enwikipedia.org/eiki/languagecontact on May, 2017.

Wilson, N. O. (2009). The analysis of Lingustics Borrowing. *Language Journal of Research*, 2 (1), 50-60.

Windford, (2008). Language contact study: oxford: Blackwell publishers.

Yule, G. (1995). *The study of language United Kingdom*. Cambridge University Press.